***As In the Days of Noah, So Now***

***Dịka Ọ Dịrịị N'ụbọchị Noa, Otua Ka Ọ Dị Ugbua***

***031105-5***

*Daalụ Ezi enyim! Nke a bụ Dọrọti -*

Nke a abụwori izu na akpali ọṅụ m ikwu ihe banyere etu Noa siri wue ụgbọ ahụ, nke bụ igbe osisi. Anyị makwara, dịka a rụtụrụ aka n'Akwụkwọ Ndi Hibru nakwa ebe ọzọ, na ụgbọ ahụ bụ ụdị maọbụ ihe-atụ Kraist; nke akwadoro ịzọpụta ndi ezinaụlọ Ya; bụ ebe anyị pụrụ ịbịa ka Ọbara Jisọs wee kpuchie anyị ma bụrụ anyị ihe-njụrụ-obi; ihe mkpuchi anyị; bụ Onye ahụ anyị pụrụ ịbịakwute ma nwee ohere ịgakwuru Chineke dị nsọ. Ọzọkwa, nime Kraist e nwere ụzọ esi ahụ ihe dị ịtụnanya, dịka anyị hụtara na ụgbọ ahụ na-ekwu banyere ichekwa ndi Ya igabiga Oge Mkpagbu ahụ. N'okwu ọzọ, Ọ na-ekwu na a ga-ewezuga ndi ahụ nọ nime Kraist ka ha ghara igabiga Oge Mkpagbu ahụ. Nihi na a ga-eweli anyị elu ịnọ anyị na Onyenweanyị dịka Ọ na-akpọrọ Nzukọ Ya tinyere onwe Ya. Mana nye ndi Juu, ndi bụ ndi Ya, Ọ ka na-ekwu na, mgbe niile n'iru iru obi Ya, Ọ na-enwe agụụ irutu ha ma zutekwa ha. N'ụbọchị mmechi ndi a, ekwenyere m n'ezie na ihe njikọ nke nchọpụta a na-ezoghị ezo banyere ụgbọ ahụ pụrụ ịbụ nnọ n'oge ahụ ha na-agabiga nnwale dị oke egwu ma ha ga-abịa, dịka anyị maara na Akwụkwọ Nsọ na-egosi, n'oge Mkpagbu ahụ, mgbe Chineke na-awụpụ oke ọnụma Ya n'elu ụwa.

Mana achọrọ m ịgwa gị banyere ihe pụtara oké ihe nye m. **Matiu isi**

**nke iri abụọ na anọ - ahiri nke iri atọ na asaa**

**37 Ọ bụ kwa dịka ụbọchị Noa dịrịị, otú a ka ọbịbịa Nwa nke mmadụ ga-adị.** Ọnọdụ ahụ nke were ọnọdụ maọbụ dị barị n'ụwa tupu uju-mmiri ahụ bụ nke na-emeghachi n'ụwa ugbua kpọmkwem. Ọ bụ nke a na-egosipụta site n'agwa ejije. Achọrọ m nnọ ịchịkọta ya na nkenke bụ ihe anyị na-ekwu maka ya. Ị maara, na mmalite **Jenesis isi nke isii ahiri nke mbu- 1 O rue mbẹ madu malitere iba uba n'elu ala, mbẹ amukwara umu-ndinyóm nye ha**. Ebe ahụ ka mmụba ndiikom na ndiinyom malitere ma ndi mmadụ biri ogologo ndụ karịa dịka anyị na-ebi n'ụbọchị anyị ugbua. Ihe ndia niile nọ na-ewere ọnọdụ, e wee nwee ọnụ ọgụgụ ndi mmadụ dị ukwu n'elu ụwa.

Ọzọkwa, ọ na-egosipụta ogologo ntachi-obi Chineke. Ọ nọrịsị na-enwe ogologo ntachi-obi ka e wee zọpụta gị. Ee, Ọ na-adọghachi ikpe Ya azụ ka i wee bịa n'ịmara Kraist, mgbe oge ka dị. Mana kwere ihe m na-ekwu, a na-akụnye ntuu ikpeazụ n'ụgbọ ahụ ugbua kpọmkwem. Agaje inwe oge ikpe mgbe n'adịghị anya ugbua. Biko a nọkwala n'etiti uche abụa. Biko bata nime Kraist taa. Mee ka nke a bụrụ ihe dị ngwa ngwa na-ewere ọnọdụ nime ndụ gị, nihi na ọ bụ ndiiche dị n'etiti ebighị-ebi abụa. Ndi ozi Chineke nọkwa ebe a na-adọ aka na nti banyere ikpe na-abịa. Onye ozi Kraist abụghị onye a na-anabatarịrị, ma hụ ya n'anya ma rịbakwa ya ama, mana ọ bụghị ndụ ha; ọ bụ ndụ nke Kraist ka ha na-egosipụta. Ma e nwere ụgwọ a na-akwụ igosipụta Kraist. Ị hụrụ, ha na-abịa dịka ndi mmadụ kesaworo nye unu. Eleghị anya site na mgbasa ozi ndia n'ikuku redio, otu onye nọrịsị na-asị, "Jisọs hụrụ

gị n'anya. Bịakwute Ya taa". Oge ahụ na-abịa na njedebe mgbe i nwere ohere ime nke ahụ. Ọzọkwa, otu nime ihe ịrịba ama ọzọ nke ị pụrụ ijikọ ya na ya bụ mwezuga nke Mmụọ Nsọ Ya dịka ọ dị na **Ndi Tesalonaika nke abụọ**. A ga-enwe mwezuga nke Mmụọ Nsọ Ya. Ọ bụ Mmụọ Nsọ Ya na-arịọ gị arịrịọ. Ọ bụ Mmụọ Nsọ Ya na-alụ ọlụ nime gị site n'ịhụnanya ma Ọ gaje iwezuga ọlụ nke Mmụọ Nsọ Ya nke na-eburu, na-agbali, na-ebu n'obi ka a napụta gị. Ọzọkwa, ọlụ mgbasa ozi nke ịhụnanya Chineke dịka anyị pụrụ ịhụ na-aga n'iru agbanyeghị na ndi mmadụ ka na-eleda Ya anya ma jụkwa Ya. Eleghị anya ị na-enupuru Kraist isi, na-eleda Ya anya ma jụkwa Ya, mana Chineke ka na-esetipụ aka ịhụnanya Ya n'ebe ịnọ. Ị maara, gbasara mmadu ole na ole ndi ahụ kwesiri Chineke ntụkwasị obi bụ ndi na-achọta amara n'iru Ya ma sokwa Ya na-ejeghарị, Chineke na-ewere ha ma kpọrọ ha tinyere onwe Ya. E gosiri ihe-atụ nke ahụ mgbe e weliri Ịnọk elu ịnọ ya na Onyenweanyị n'ikuku.

Mana e nwere mpaghara na-akpali mmasị nke anyị na-abanyebeghị nime ya. Ọ dị na mmalite nke **Jenesis isi nke isii**. Ọ na-ekwu ihe banyere ndi mmụọ ozi daworo ada, ndi atụdara site n'Elu-igwe , nakwa mmekọ ihe n'otu nke ndi mmụọ ọjọọ ha na ndiinyom nke ụmụ mmadụ. Nke ahụ bụ isiokwu nọrọ onwe ya – nke bụ isiokwu dị ukwu. Mana n'oge awa nke a, e nwere mmụba dị ukwu nke ihe-omume ndi mmụọ ọjọọ, ịdị n'njikere maọbụ mmeghe-obi ebe ọ dị ukwu ịnabata ndi mmụọ ọjọọ, ndakpu maọbụ mwagharị nime ihe ndi ahụ na-ekwu banyere ọchịchịrị.

Naanị ụnyahụ, anọ m na-akparịta ụka mụ na otu nwa-agbọghọ onye sịrị na ya na-achọ ịmụ etu e si egbunye egbugbu-ọkụ maọbụ ebinye mbibi n’arụ ma banyekwa n’ụwa ọzọ nke ime mmụọ. Ndi mmadụ adịghị amata na ha na-etinye onwe ha n’aka ndi mmụọ ọjọọ bu ihe ọjọọ n’obi, ndi na-achọ ka ị laa n’iyi ọ bụghị naanị na ndụ a, kama n’ebighị-ebi niile. Gbanarị ihe ndi dị otua! Jụụ ihe ndi dị otua! E mela ihe ọbụla metụtara iji ọnọdụ kpakpando akọwa ọdịniru mmadụ nakwa ihe ndi a niile ndi mmadụ na-eche na ha ziri ezi. Site n’ebe ha nọ pụa taa n’ike nke Jisọs! Mana ọzọkwa, ihe ọzọ yiri ya bụ ikpe Chineke nke dịrị ndi n’adịghị asọpụrụ Chineke. Ọbụrụ na ị gụa **Mkpụghe isi nke isii rue na nke iri na itolu**, nke ahụ na-ekwu banyere ikpe Chineke nke dịrị ndi n’adịghị asọpụrụ Chineke. Ọ ga-eju gị anya ihe Chineke ka gaje ime n’elu ụwa. Ma ihe dị ezi ịtụnanya nke m hụrụ n’anya bụ nchekwa Noa site n’ọlụebube Chineke, nke ihe-atụ ya bụ ndi Juu fọdụrụ. Ọ na-abịa n’ebe ahụ ma na-asị, “Site n’amara nke M, nabata M”.

Oo, ezi enyi, were isi-akwụkwọ ndi a nọ gburugburu **Jenesis isi isii** ma gụgharịa ha ọzọ ka i wee hụta na ugbua bụ ụbọchị nke nzọpụta ma nabatakwa Kraist nime ndụ gị.

*Chineke gọzie gị. Anyị hụrụ gị n’anya. Amen.*